lAkwukwo akuko nso maka umu ntakiri a na-egosi

# Afọ iri anọ



Ode akwukwo: Edward Hughes

Onye kuziri ya: Janie Forest
Alastair Paterson

Onye haziri ya/Onye nhazi:
Lyn Doerksen

Onye tughariri okwu a: The Bible Society of Nigeria

Onye biputere akwukwo: Bible for Children
www.M1914.org

©2023 Bible for Children, Inc.
Ike/ikike: i nwere ike ma obu ikike i biputa
akuko a nani i gaghi ere ya ere.



Mgbe Chineke napụtara ụmụ Izrel n’Ijipt, Mosis duru ndị Izrel n’ofufe. O mebere abụ otuto. “M ga-abụkue Jehova abụ, n'ihi na O nwewo mmeri n'ebube.” Mosis wee bụọ abụ banyere ihe ukwu niile nke Chineke meere Izrel.

HALLELUYA!

OTUTO DỊRỊ CHINEKE!





Mgbe ụbọchị atọ gachara n'ọzara, ndị akpịrị kpọrọ nkụ chọtara ọdọ mmiri. Ma ha enweghị ike ịṅụ mmiri ilu ahụ. Kama ikpe ekpere, ndị mmadụ bidoro mewe mkpesa.

Chineke nwere obiọma.

O mere ka mmiri ahụ dị mma ịṅụ.



Ọ dị ka ndị mmadụ mewere mkpesa maka ihe niile. Ha wee tie mkpu, sị, “Anyị nwere ihe-oriri n'Ijipt. N'ọzara nka ka anyị ga-anwụ n'oké agụụ.” N'uhuruchi ahụ, Chineke zipụrụ nnụnụ ndị a na-akpọ quail. Ndị mmadụ jidere ha ngwa ngwa.

N’ụtụtụ echi ya, Chineke zitere mana.  Ọ bụ ụdị achịcha na-atọ ụtọ ka mmanụ aṅụ. Mana ụtụtụ ọbụla,



mana ahụ na-atọgbọcha n'ala dị njikere ka a chịkọta ya.  N’ụzọ dị otú a, Chineke nyere ndị ya nri n’ime ọzara.

Ha ga-atụkwasị Chineke obi kwa ụbọchị maka nri ọhụrụ.  Ma ụfọdụ ndị chịkọtara mana ahụ debe, n’agbanyeghị na Chineke kwuru na ọ ga-ere ere ma ọ nọkarịa otu ụbọchị.



N’ezie, mana ụnyaahụ ahụ jupụtara na ikpuru - ewezuga ụbọchị izu ike.  N'ụbọchị nke asaa ahụ pụrụ iche, ndị Izrel zuru ike, riekwa mana ụnyaahụ.



Chineke lekọtara ụmụ Israel anya n'ọzara. O nyere ha nri na mmiri - ma chebe ha pụọ n'aka ndị iro.

Mgbe ndị Amalek wakporo ha, Izrel nọgidere na-emeri n’agha ahụ ruo mgbe Mosis weliri mkpanaka Chineke.





Chineke wee si ụmụ Izrel, “Ọ bụrụ na unu aṅaa nti olu m, unu ga-abụ ndi nke m.” “Ihe niile Chineke kwuru, anyị ga-eme ya,” ka ndị Izrel gwara Mosis. Ha bịarutere n’ala ala Ugwu Saịnaị wee chere mgbe Mosis gara izute Chineke.



Mosis wee nọnyere Chineke n'ugwu ahụ ọgụ ụbọchị abụọ. Chineke dere Iwu Iri na mbadamba nkume abụọ. Ọ gwara Mosis otú Ọ chọrọ ka ndị Ya si biri.

1. “Ị gaghị enwe chi ọzọ tinyere m.”

2. “Emela maọbụ kpọọ isi-ala nye ihe oyiyi ọbụla.”

3. “Ejila aha Jehova mee ihe efu.”

4. “Cheta ụbọchi izu-ike, ido ya nsọ.”

5. “Sọpụrụ nna gị na nne gị.”

6. “Egbula mmadụ.”

7. “Akwala iko.”

8. “Ezula ohi.”

9. “Ị gaghị agha ụgha.”

10. “Ị gaghị enwe anyaukwu.”



Mgbe Mosis na Chineke nọ n’Ugwu Saịnaị, ụmụ Izrel mere ihe dị egwu. Ha nyere Erọn iwu ka o mee ọlaedo nwa ehi - ma ha fewere nke ahụ kama ife Chineke.  Chineke were ezigbo iwe.  Otú ahụ ka o sikwa wute Mosis nke ukwuu.



Mgbe Mosis hụrụ nwa-ehi ahụ na ndi Izrel na-agba egwú, o wee tipia mbadamba nkume ahu n'ala.  Mosis were iwe bibie arụsị ọlaedo ahụ.  E gbukwara ndị ajọ omume bụ ndị fere ya ofufe.

Chineke wetachiri mbadamba nkume abụọ ahụ. Ọ gwara Mosis ka o wuo nnukwu ụlọ ikwuu nke nwere ogige gburugburu ya - ebe Chineke ga na-anọnyere ndị ya. Ha ga na-efekwa Chineke ofufe n’ebe ahụ. Ogidi igwe-oji na ọku gosiri na Chineke nọnyeere ha.



Ka ha rutere Kenean nso, Mosis zipụrụ ndị-nledo iri na abụọ ka ha jee hụ ala ahụ Chineke kwere ndị ya ná nkwa.  Ndị-nledo niile ahụ ekwetaghị na ọ mara mma!  Ma ọ bụ naanị mmadụ abụọ, bụ́ Jọshụa na Keleb, kweere na ha pụrụ imeri ala ahụ site n’enyemaka Chineke.



Ndị-nledo iri ndị ọzọ tụrụ egwu obodo ndị siri ike na ndị dike dị n'ala ahụ. "Anyị enweghị ike iwere ala ahụ," ka ha kwara n'ákwá.



Ha chefuru oké ihe Chineke mere iji tọhapụ ha n'Ijipt.

Ndị mmadụ soro ndị-nledo iri ahụ na-ekweghị ekwe. Ha wee tie mkpu, jikere ịlaghachi n'Ijipt. Ha nwara ọbụna igbu Mosis! Chineke zọpụtara ndụ Mosis. Ọ wee sị ndị Izrel, "Ọgụ afọ abụọ ka unu ga-awaghari n'ọzara, náanị Keleb na Joshua na ụmụ unu ga-adị ndụ ịbà n'ala ahụ nke unu ledaworo anya."



Afọ iri anọ

Akuko nke eweputara n'okwu Chineke,
bu akwukwo nso

Di n'ime

Ọpụpụ Isi nke iri na ise rue
Ọnụ Ọgụgụ Isi nke iri na anọ

"Ogugu na itule okwu Chineke na-enye ihe."
Abuoma 119:130

Ngwucha

Akuko akwukwo nso a na-agwa anyi maka Chineke puru ime ihe nile, onye kere anyi ma cho kwa ka-anyi mara ya.

Chineke mara na-anyi emehie la ya, nke O kporo nmehie. Ntarama ahuhu maka nmehie bu onwu, mana Chineke huru anyi na-anya nke ukwu u O were zite nani otu nwa ya nwoke ohuru na-anya, aha ya bu Jisos ka O bia nwuchitere anyi onwu na elu obe ma nata kwa ntarama ahuhu diri anyi maka nmehie anyi. Jisos siri n'onwu bilie ma lahachi kwa eluigwe ebe O siri bia! O buru na i kwere na Jisos ma yokwa ya mgbahara nmehie gi, O ga gbahara gi! O ga bia biri n'ime gi ugbua ma gi onwe gi ga e biri kwa n'ime Ya mgbe ebi ebi.

O buru na i kwere na ihe bu eziokwu, gwa chineke ihe a: Ezigbo jisos onye nzoputa m, e kwere na I bu chukwu/chineke, i buru mmadu ka i wee nwuo maka nmehie m nile, ma ugbua I ka dikwa ndu ozo. Biko bata n'ime ma gbahara m nmehie m nile, ka m nwee ike nwe ndu ohuru ugbua, ma otu ubochi mgbe m ga abia soro gi wee biri mbe ebi ebi. Nyere m aka ka m ruwere gi isi ma bie ndu m maka gi di ka nwa gi. Amin!

Na agu akwukwo nso mgbe nile ka gi na chineke n'ekwurita okwu ubochi nile! Ozioma Jon isi nke ato amaokwu/usoro okwu nke iri na isi.